OLILO NA NDAPỤ MKPỤRỤ ỤDA N'IGBO OWERRI

Grace Chinyere Ekwugha
Imo State University, Owere.
gratiachi@gmail.com

na

Gloria Nkiru Egwuonwu-Chimezie
Imo State University, Owere.
nkiruglory09@gmail.com

Ụmị
Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị. Nke a mere e ji nwee Igbo izugbe, nke bụ ụdị asụsụ Igbo onye ọ bụla na-amụ ma na-asụkwa Igbo ga-enwe ike ighọta nke ọma. Ụfọdụ mgbe, ụsoro ụdaasụsụ Igbo izugbe na olundị ndi mejupụtara ya anaghị abụcha otu ihe. Olundị dị iche iche n'ala Igbo nwere fọnịm nke aka ha, nke na-emetụta fọnịm Igbo izugbe, ndapụ na olilo dị n'olundị Owerri na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe n'ihi na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ bụ ndị Owerri na-eji olundị ha asụ ma na-ede Igbo oge a chọrọ ka ha jiri Igbo izugbe rụọ ọrụ n'ihi amaghị ihe dị iche n'etiti fọnịm ndị kwesịrị Igbo izugbe na nke kwesịrị olundị Owerri. Nchọcha a lebara anya n'olilo na ndapụ mkpụrụ ụda n'olundị Owerri. O jiri atụtụ adịmiche lenye anya n'ụdị olilo na ndapụ mkpụrụ ụda pụtara ihe n'olundị Owerri ma lenyekwa anya n'ihe kpatara e ji nwee olilo na ndapụ n'olundi Owerri. E ji ndị na-asụ olundị Owere dị ka epum ha, ihe ndị e nwetere site na mkpariṭaụka ndị nchọcha na ndị Owerri mere na ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ gbasara ụdaasụsụ, olilo na ndapụ wee rụọ ọrụ a. A chọpụtara ụdị olilo atọ: olilo nlocha, olilo mmakọ na olilo nlofọ na ụdị ndapụ mkpụrụ ụda abụọ n'olundị Owerri. Ha bụ ndapụ ụdaume na ndapụ mgbochiume. Olundị Owerri na-enwe ndapụ mkpụrụ asọsọ '-ghị/-ghi' mgbe a na-emepụta njụ. A hụkwara na olilo na ndapụ na-emekọ ọnụ n'akparamagwa. Ihe dị iche bụ na olilo n'olu Owerri bụ sọọsọ ụdaume ka ọ na-emetụta, ebe ndapụ na-emetụta ụdaume na mgbochiume.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Asụsụ, Olundị, Fọnọlọji, Olilo, Ndapụ

Abstract
Igbo language has many dialects. This is why there is standard Igbo, the Igbo anyone studying or speaking Igbo will be able to understand very well. Sometimes, the sound structures of the standard Igbo and that of its dialects are not the same. Igbo dialects have their phonemes which interact with the standard Igbo phonemes. Elision and assimilation in Owerri Igbo affect the learning of Igbo Language because some Owerri students use their dialect when speaking and writing Igbo when they are expected to use the standard Igbo. The research adopted the theory of contrastive analysis to analyse why there is elision and assimilation in Owerri Igbo. Data were collected from Owerri indigenes that speak the dialect flently through interactions and from books. Three types of assimilation were discovered: complete assimilation, fusion and partial assimilation. Two types of elision were equally discovered which are vowel and consonant elision. In Owerri Igbo, there is elision of the negative morpheme 'ghị/-ghi' during the production of negation. Both elision and assimilation interact in Owerri Igbo. The difference is that assimilation only occurs in vowels while elision occurs in both vowels and consonants.

Key Words: Language, dialect, phonology, assimilation, elision

1.0 **Ndubanye**

Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka. Ọ na-enye aka ka mmadụ na ibe ya ghọta onwe ha site n'echiche, mmetụta na mgbasa ozi, nke bụ na e wepụ asụsụ, ọ ga-ara ahụ ịmata ihe mmadụ bu n'uche. Ọ bụ ya mere Chinagorom (2023:9) jiri kwuo na "asụsụ bụ ihe dị mkpa mmadụ ji enwe mmekọrịta nke na-esite n'ụda mmadụ ndị bi na mpaghara ebe a na-asụ asụsụ". Farinde (2015) na-ekwu na agbụrụ ọ bụla nwere asụsụ ha na-asụ be ha. Ndị Igbo dị ka agbụrụ nwere asụsụ nke ha na-asụ bụ asụsụ Igbo. Ọ gakwara n'ihu na-ekwu na asụsụ Igbo so n'otu n'ime asụsụ a na-asụ na Naịjirịa, nke a na-asụ na mpaghara ọwụwaanyanwụ ala Naịjirịa bịakwa soro n'asụsụ atọ (Awụsa, Igbo na Yoruba) gọmenti etiti ala Naịjirịa wepụtara ka a na-akụzi ma na-elekwa n'ule siniọ sekọndịrị. Asụsụ Igbo nwere olundị dị iche iche. Nke a mere e ji wepụta Igbo izugbe, nke bụ ụdị olu Igbo nke onye ọbụla na-amụ ma na-asụkwa Igbo ga-enwe ike ighọta nke ọma. Ọraka (1983) na-akọwa na Igbo izugbe bụ asụsụ ahụ e sitere n'olundị dị iche iche dị n'Igbo wee wepụta nke a tụrụ anya na onye Igbo ọ bụla ga na-aghọta. Igbo izugbe bụ nke e hibere dị ka asụsụ jikọtara Igbo niile ọnụ, ọ kacha na agụmaakwụkwọ na odide akwụkwọ, nke ga-eme ka onye ọbụla bụ onye Igbo ghọta ihe a na-ekwu.

O kwere nghọta na fọnọlọji Igbo dị ezigbo mkpa n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọkpalike (2018) na-akọwa fonọlọji dị ka ihe ọmụmụ a na-amụ maka fonim. Ọ gakwara n'ihu kwuo na fonọlọji bụ isi ụzọ lingwisiiki mụọ maka nhazi na nchịkọta ụda asụsụ iji gosipụta ndịiche dị n'etiti okwu na ibe ya, tụmadị n'ime asụsụ a na-ele anya. Ụdị ụda asụsụ a nke na-ebute nghọta dị iche iche na mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha ma e wezụga otu mkpụrụ ụda n'ime ndị ahụ ka a na-akpọ fọnịm. N'ime nchọcha a, nke hiwere isi n'olilo na ndapụ mkpụrụụda n'Owerri Igbo, a ga-agbakwasị ụkwụ na fonọlọji, nke asụsụ Igbo, bịa hiwezie isi na fọnọlọji nke olundị Owerri bụ nke dabara n'olundị ndị e kenyere n'etiti ọwụwanyanwụ, dịka Nwaozuzu (2017) si kewaa ha. Olundị dị iche iche nwegasịrị njirimara ha n'otu n'otu. A họọrọ olundị Owerri na nchọcha a maka na ọ bụ otu n'ime olundị ndụ mejupụtara Igbo izugbe. Ụfọdụ ndị nchọcha dị ka Ụwaezuoke na Eme (2021), Chinweuba na Onwudiwe (2022) na Madụagwu (2022) emeela nchọcha metụtara olilo na ndapụ n'olundị Ogbunike na Anam, Ọkija na Ọgbahu n'otu n'otu ma ọ dighị ka o nweela nchọcha e merela banyere olilo na ndapụ ụda n'olundị Ọwerri. Nnyocha a ga-akwalite fonọlọji na ọmụmụ olundị, dịka Oluikpe (1979:2) si kọwaa na mpaghara ọmụmụ olundị Igbo enweghi nleba anya zuru oke.

Ụtọ asụsụ nwere ngalaba dị iche iche mejupụtara ya dịka: fonọlọji, mọfọlọji, sintaksị na semantiksi. Asụsụ ọ bụla nwere ngalaba ụtọasụsụ ndị a nke a na-amụ n'ụlọakwụkwọ. Ọmụmụ asụsụ ọ bụla na-ebido na fonọlọji n'ihi na a na-esi na mkpụrụ ụda asụsụ obodo ebido ọmụmụ asụsụ ahụ. Asụsụ ọbụla nwere fonọlọjị na fọnịm nke ya. Nke a mere asụsụ Igbo jiri nwee fonọlọjị nke ya, nke e mepụtara site na mkpụrụ ụda ndị e nwegasịrị n'asụsụ Igbo. Olundị dị iche iche n'ala Igbo nwere fọnịm nke ya nke na-emetụta fọnịm Igbo izugbe, n'ihi ndịiche dị n'etiti ha. Ndapụ na olilo dị n'olundị Owerri nakwa Igbo izugbe na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe, n'ihi na ọtụtụ ụmụakwụkwọ bụ ndị Owerri na-eji olundị ha asụ ma na-ede Igbo oge a chọrọ ka ha jiri Igbo izugbe rụọ ọrụ n'ihi amaghị ihe dị iche n'etiti fọnịm ndị dị n'Igbo izugbe na nke ndị dị n'olundị Owerri.

Mbunuuche nchọcha a bụ ịmata ụdị olilo e nwere n'olundị Owerri na ịchọpụta ụdị ndapụ mkpụrụụda e nwere n'olundị Owerri. Nchọcha a ga-aba uru nye ọha na eze n'ihi na ọ a ga-eme ka e nwee njirimara ihe gbasara olilo na ndapụ mkpụrụ ụda n'olundị Owere. Ọ

ga-eme ka ndịiche dị n'etiti olilo na ndapụ n'olundị Owerri na nke Igbo izugbe pụta ihe. Nchọcha a ga-eme ka e nwekwuo ezi nghọta amụmamụ fọnọlọji Igbo, ọ kachasị n'olundị Owerri. Nchọcha a ga-enyere ndị ga-eme nchọcha na fonọlọji aka n'ọrụ ha n'ọdịnihu. Ọ ga-enyere ụmụ akwụkwọ ndị na-eji olundị Owerri asụ ma na-ede Igbo izugbe aka ịmata mkpụrụ ụda ndị e kwesịrị itinye n'ọrụ mgbe a na-asụ ma na-edekwa Igbo izugbe.

2.0 **Ntụleharị Agụmagụ**

2.1 Asụsụ

Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta nkata. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwu okwu ma na-enwe ezi mmekọrịta, nke bụ na ọ bụrụ ma e nweghị ihe dịka asụsụ, ọ ga-ahịa ahụ mmadụ ịmata ihe mmadụ ibe ya bu n'uche. Ọ bụkwa site n'asụsụ ka mmadụ jiri nwee nkarị n'ebe ụmụ anụmanụ ndị ọzọ dị. Ọ bụ mgbe mmadụ malitere n'ụwa ka asụsụ malitere. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) na-akọwa na e wepụ asụsụ, ndụ mmadụ agaghị enwe isi. Ha kwukwara na ọ bụ site n'ụda si n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche mebere asụsụ. Chinagorom (2023) na-ekwu na asụsụ bụ otu ihe dịkasịrị mkpa na ndụ mmadụ. Ọ na-akọwa na asụsụ ọ bụla kwesịrị inwe usoro mkpọpụta ya, mkpụrụ okwu ya, usoro e si edepụta mkpụrụ okwu ya, nkebi okwu ya, nkeji ahịrị okwu ya, ahịrị okwu ya na nghọta okwu ma ọ bụ mpụtara si n'ime ha na-apụta na ụdị mmasị na nkwekọrịta ndị nwe asụsụ ahụ. O depụtara ihe ndị mejupụtara asụsụ dịka ọdịdịụda (phonetics) ọdịdị ọda asọsọ (phonology), mmebe okwu (morphology) usoro okwu (syntax), nghọta okwu maọbụ mpụtara (semantics).

N'otu aka ahụ, Crystal (1980) na-eme ka a ghọta na ọ bụ ụda olu mmadụ nke a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara, nke abụghị ebumpụta ụwa, nke mmadụ mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Asụsụ bụ otu ụzọ pụrụ iche mmadụ wepụtara ka mmadụ na ibe ya site na ya na-enwe mmekọrịta (Obidiebube2007). Egwuọnwụ-Chimezie na Abonyi (2022) na-akọwa na otu n'ime ihe dị oke mkpa e ji mara mmadụ niile nọ n'ụwa bụ asụsụ. N'ịga n'ihu, Block na Trager (2005) na-ahụta asụsụ dị ka ogo olu nke na-eji ihe dị iche iche akọwapụta ihe ndị mmadụ pụrụ ighọta. Ha gara n'ihu gosi na asụsụ bụ ihe dị omimi na ndụ nke mmadụ na ibe ya n'iji enwe nghọta dị omimi n'ebe ndụ ha dị.

Lyons (1981) sị na asụsụ dị ka ịkọwa ndụ mmadụ, n'ihi na ọ bụ asụsụ bụ udo ji ndụ obodo ọ bụla. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu ma na-ezipụta ihe o bu n'obi. Lyons gakwara n'ihu kwuo na asụsụ bụ usoro nhazi mmekọrịta ọha na eze nke ihe mejupụtara ya bụ ụda, mkpụrụ okwu na asụmasụ site n'otu obodo ruo n'ọzọ. Nke a kwenyere na ihe Sapir (1921) kwuru na ọ bụ mmadụ nwere ike ịsụ asụsụ doro anya, nke na-egosipụta mmetụta mmadụ nwere nye onye ọzọ. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ a na-asụ na Naịjirịa bụ nke ndị na-asụ ya karịrị mmadụ nde iri anọ n'ọnụ ọgụgụ bụkwa nke ndị bi n'ọdịda anyanwụ nke Naịjirịa. Ọ bụ asụsụ a na-asụ ebe niile n'obodo, tinyere n'ahịa, n'ụlọ ụka, n'ọgbakọ, nakwa n'ime ubi. Ọ bụ asụsụ e ji ekwurịta okwu ma ọ bụ akpa nkata n'ụbọchị dum n'ebe ndị Igbo nọ (Okolie 2022). N'otu aka ahụ, Egwuọnwụ-Chimezie na Abonyi (2022) na-ahụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke ndị na-asụ ya bụ ndị ahụ bi na mpaghara ndịda ọwụwanyanwụ Naịjirịa nakwa obodo ụfọdụ gbara ya gburugburu. Ọfọọma (2009) na-akọwa asụsụ Igbo dịka asụsụ na-ejikọ ndị na-asụ ya ọnụ bịa mee ka ha bụrụ ndị pụrụ iche n'etiti mba ndị ọzọ. Ọ kọwakwuru na asụsụ Igbo so n'otu n'ime asụsụ atọ ndị gọmenti etiti wepụtara n'obodo Naịjirịa maka ọmụmụ asụsụ n'ụlọakwụkwọ ndị dị na

Naịjirịa. Ọ sị na gọmenti mere nke a maka ịkwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ịdị n'otu nke mba niile nọ na Naịjirịa na nchekwa omenala.

2.2 Ọdịdị ụda asụsụ na Mkpụrụ ụda asụsụ

Nwodo (2008) na-ahụta ọdịdị ụda asụsụ dịka nke na-amụ maka usoro ụda e nwere n'asụsụ dị iche iche nke isi okwu ya bụ ịchọpụta iwu dị iche iche na-achịkwa ụzọ e siri hazie nkeji ụda dị iche iche iji kọwaa ụdịdị na ụdị nghọta ha nwere. Isi nkọwa nke a bụ na mkpụrụ ụda ọ bụla nwere ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ n'asụsụ. O kwere nghọta na ọtụtụ ndị ọkammụta elenyela anya n'ịkọwa ihe mkpụrụ ụda asụsụ/foním bụ. Anozie (1999) na Mbah (2010) nabatara na mkpụrụ ụda asụsụ bụ ụda asụsụ kachasị nta nke nwere ike ibute ndịiche n'okwu ole na ole bụ ndị gaara iyi onwe ha ma n'ụdị ma na nghọta ma e wepụ naanị otu mkpụrụ ụda asụsụ. E nyere mkpụrụ okwu ndị a dịka ọmụ maatụ:

a.	dàá	-	'fall'
	làá	-	'go'
	sàá	-	'wash'
b.	sèé	-	'draw'
	mèé	-	'doo'
	lèé	-	'look'
ch.	rìé	-	'eat'
	bìé	-	'slice'
	dìé	-	'endure'

Dị ka e si gosi n'ọmụmaatụ dị n'elu, ndịiche dị n'etiti okwu ndị ahụ pụtara ihe na foním mbụ malitere mkpụrụ okwu ndị ahụ e dere n'Igbo. Ha bụ ndị a: /d/, /l/, /s/, /s/, /m/, /l/, /r/, /b/, /d/. N'iji kwado ihe ha kwuru, De Courtnay (1971) na-akọwa na foním nwere ike ịpụta ihe naanị n'uche okwukwe nke pụtara na mkpụrụ ụda ahụ mmadụ bu n'obi iji kpọpụta mkpụrụ okwu maọbụ ahịrị okwu ka a na-akpọ foním maọbụ mkpụrụ ụda asụsụ. N'otu aka ahụ, Ume, Ugoji na Dike (2006) na-akọwa foním dịka ụda asụsụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta okwu. Ha mere ka anyị mara na aha ọzọ a na-akpọ foním bụ mkpụrụụdaasụsụ.

Ume, Ugoji na Dike (2006) n'ime Ọkpalike (2018) gakwuru n'ihu kwuo na fonọlọji dịka ihe ọmụmụ njirimara usoro ụda asụsụ. Ha gara n'ihu kọwaa fonọlọji dịka ọmụmụ sayensị ụdaasụsụ nke na-ebute nghọta dị iche iche na mkpụrụ okwu na ibe ya. Ụdị ụda asụsụ a nke na-ebue nghọta dị iche na mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha ma e wezụga otu mkpụrụ ụda n'ime ndị ahụ ka a na-akpọ foním.

N'aka nke ya, Ikekeọnwụ (1997) na-ahụta fonọlọji dịka otu ngalaba amụmamụ dị na sayensi asụsụ na-amụ maka mkpụrụụda na ka e si eji ha arụ ọrụ n'asụsụ mba ụwa dị iche iche. N'ezie, fonọlọji na-amụ maka ọdịdị mkpụrụ ụda na usoro nhazi ụdaasụsụ n'asụsụ mmadụ. Fonọlọji dịka o kwukwara na-arụtụkwa aka n'ihe ndị ọsụ asụsụ maara maka ọdịdị ụdaasụsụ ha na ịgbaso usoro sayensị asụsụ kọwaa mmebe ụda (Agbedo 2000, Mbah na Mbah 2010) n'ime Ugwuọna, Nwankwọ na Nweze (2020). Ha gara n'ihu na-ekwu na ọmụma ọsụsụ asụsụ nwere banyere asụsụ ya dị ọtụtụ, nke a gụnyere ụdaolu, aksent, mmebe okwu, ndapụ ụda, ya bụ ịhapụ ịkpọpụta ụda ụfọdụ n'okwu na agbanweghị okwu ahụ.

Agbedo (2000) na-egosi na fonọlọji bụ ọmụmụ gbasara ụda kacha nta a kpọrọ mkpụrụ ụda asụsụ ma ọ bụ fọnịm nke na-emetụta nghọta okwu nke nwere ike iweta mgbanwe na nghọta asụsụ ma ọ bụ ihe a sụrụ. Ọ gara n'ihu kwuo na asụsụ ọ bụla nwere fọnịm ma ọ bụ mkpụrụ ụda asụsụ nke ya, ma kọwakwa na fonọlọji na-elebazi anya n'usoro ụda asụsụ ndị ahụ sitere na fonetiiks nke gosiri na fonọlọji ji ngwa ọrụ fonetiiks wee na-arụ ọrụ n'asụsụ dị icheiche.

Ume, Ugoji na Dike (2006) na-ahụ fọnịm dịka ụdaasụsụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta okwu. Ha kọwara na fọnịm si n'okwu Bekee a na-akpọ *Phoneme*. Aha ọzọ a na-akpọ fọnịm dịka ha kwuru bụ mkpụrụ ụda asụsụ. Ha sị na ọ bụ fọnịm ma ọ bụ mkpụrụ ụda asụsụ mere ka 'nte' na 'nta' nwee nghọta dị iche. Ha na-eme ka anyị mata na n'ime mkpụrụokwu abụọ ndị a 'e' na 'a' mere ka nte dị iche na nta. Ha sị na ọ bụ mkpụrụ ụda asụsụ na-eme ka a na-anụ ụda dị icheiche mgbe mmadụ na-asụ asụsụ. Ụda ndị ahụ si mmadụ n'ọnụ na-apụta mgbe a na-asụ asụsụ ka ha kpọrọ fọnịm ma ọ bụ mkpụrụ ụda asụsụ.

N'aka nke ha, Udemmadụ, Egwuọnwụ-Chimezie na Ibe (2022) na-akọwa fọnịm (mkpụrụ ụda asụsụ) dịka ụda pekarịsịrị mpe nke nwere ike iwete nnukwu ndịiche n'etiti mkpụrụ okwu ya. Ha sị na ndịiche dị n'otu mkpụrụ ụda asụsụ na ezipụta echiche ọzọ n'ime mkpụrụ okwu yiri onwe ha. Mgbanwe a gbanwere otu mkpụrụ ụda asụsụ dị n'ime mkpụrụ okwu na-ebute nghọta ọzọ dị iche n'okwu ahụ.

2.3 Olilo na Ndapụ

Egwuọnwụ-Chimezie (2023) na-akọwa olilo dịka ihe na-ebute mgbanwe na mkpọpụta ụda abụọ ma ọ bụ karịa nọdebere onwe ha. Olilo a na-apụtakarị ihe mgbe a na-akpọpụta okwu ọsọọsọ. Ọfọmata (2007) na-ekwu na olilo ụdaume n'ụtọ asụsụ Igbo bụ mgbanwe ụda mkpụrụ ọda ụdaume nke na-ebute ndakpu ụda mkpụrụ ọda ụdaume a gbanworo ma wepụtakwa ndalite ụda mkpụrụedide ụdaume gbanworo ya site n'iwelite ya elu karịa ụda a gbanworo, ma ọ bụrụ na okwu na okwu mkpụrụokwu na mkpụrụokwu, nkejiokwu na nkejiokwu jekọtara maọbụ nọkọọ. Ọ gara n'ihu na-ekwu sị n'asụsụ Igbo, ụda mkpụrụ ọda ụdaume e loro na-atụgharị maghọrọkwa ụda mkpụrụ ụda loro ya. N'ihi nke a, ọ bụ mgbe mkpụrụ ọda ụdaume kpe azụ na mkpụrụ okwu, n'okwu ma ọ bụ na nkeji okwu kwụụrụ onwe ya na ụda mkpụrụ ọda ụdaume bụ ụzọ na mkpụrụ okwu, n'okwu maọbụ nkeji okwu kwụụrụ onwe ya jekọtara ọnụ ka a na-enweta olilo ụdaume n'asụsụ Igbo. Dịka ọ kọwara, n'ime njekọrịta ọnụ ha ahụ, ụda otu n'ime mkpụrụ ọda ụdaume abụọ ahụ, ga-aka ibe ya. Ọ sị na ọ bụ mkpụrụ ọda ụdaume nke ụda ya karịrị na-elo ụda mkpụrụ ọda ụdaume ahụ ha abụọ jekọrọ. Ọ bụ oge nke a mere ka e ji enwe olilo ụdaume.

Ogunewe na Apakama (2018) na-akọwa olilo ụdaume dịka mgbe ụdaume nọdewere onwe ha na mkpụrụ okwu abụọ, otu eloo ibe ya site n'ịgbanwe ụda ya. Okafo na Emeluwa (2008) na-ahọ olilo ụdaume dị ka mgbe otu n'ime ụdaume abụọ nọdebere onwe ha na mkpụrụ okwu abụọ loro ibe ya site n'ịgbanwe ụdịdị ya. Ndapụ bụ ihe ọzọ a na-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ fonọlọji. Ọ na-adị ire mgbe ụdaume abụọ nọdebere onwe ha, otu wee dapụ maọbụ ghara ịpụta ihe chaa n'akpọmụda ya ebe otu nke ọzọ na-apụta ihe. E nwere ụdị ndapụ abụọ: ndapụ ụdaume na ndapụ mgbochiume (Ugwuona Nwankwọ na Nweze 2020). Ndapụ Ụdaume bụ mgbe ụdaume nọdebere onwe ha, otu adapụ ma ọ bụ apụtaghị

ihe n'akpọmụda ya ebe nke ọzọ pụtara ihe. Ndapụ mgbochiume n'aka nke ya bụ mgbe mgbochiume nọdebere ụdaume dapụrụ n'ihi olilo nlocha ụdaume ahụ loro ya ma kụpụkwa ya. Ebe ndapụ mgbochiume na-apụtakarị ihe bụ n'olundị ụfọdụ.

2.4 Ntụleharị Nchọcha Ndị E Merela

Na nchọcha nke ya, Ụwaezuoke (2021) gbadoro ụkwụ n'atụtụ ntụlekọrịta asụsụ wee mee nchọcha banyere olilo n'asụsụ Igbo iji chọptụa agwara dị iche iche nke pụtara ihe n'ime ụdị olilo niile ndị e nwere n'asụsụ Igbo. O nwetere ngwa nchọcha ya n' Ọmambala nke dị na mpaghara ọdịda anyanwụ nke ala Igbo. Ọ chọpụtara ọ dị olilo ise: olilo ụdaume na ụdaume, olilo ụdaume na nkeji okwu, olilo nkeji okwu mkpọnimi na mgbochiume, olilo ọdaume na mgbochiume nakwa olilo mgbochiume na ụdaume. O nyere ụfọdụ ọmụ maatụ ndị a: abọ udo – abu udo, ele avọ – elaavu, ya + bu – yaa, ọ + bọ – ọọ, nvọ – mvọ, m ga – nga. Na mmechi, ọ kọwara na atụtụ ntụlekọrịta asụsụ gosipụtara kpọmkwem ụdị olilo ndị a e nwere n'asụsụ Igbo ma nyekwa ntụziaka ka ndị ome nchọcha ndị ọzọ soro nzọmụkwụ ya n'iji atụtụ a mee nchọcha n'asụsụ na olundị ndị ọzọ dị iche iche.

N'aka nke ha, Ụwaezuoke na Eme (2021) mere nchọcha n'isi okwu bụ 'Olilo mmakọ' n'asụsụ Igbo. Ha bidoro site n'ịkọwa usoro ọdịdị ụda dị ka mgbe mkpụrụ ụda abụọ nọdebere onwe ha nso bịara jikọọ ọnụ wee mepụta otu ụda, nke bụ na agwara dị iche iche e jiri mara ụda abụọ ga-abịa makọọ ọnụ wee mepụta otu ụda. Ọrụ a gbadoro ụkwụ n' atụtụ ndịnonwe nke ha kọwara dịka atụtụ kacha ibe ya mfe iji mee ụdị nchọcha banyere olilo mmakọ. Mbunuuche nchọcha a bụ ịchọpụta ụdị olilo mmakọ ndị dị n'asụsụ Igbo. Ha nwetere ngwa ọrụ ha jiri mee nchọcha n'olundị Ogbunike na Anam nke dị na steeti Anambra. Ha jiri atụtụ ndinonwe a wee tọsasịa ma kọwaa nchọpụta ha mere. Nchọpụta ndị ha mere gosiri na olilo mmakọ pụtara ihe n'ọrụ ha. Site na nkọwa na ọmụ maatụ ha nyere, mgbe e nwere mkpụrụ okwu abụọ nọdebere onwe ha nso, ụdaume nke ikpeazụ nọ na mkpụrụ okwu nke mụ na ụdaume nke mbụ ma ọ bụ myiriụdaume nke bidoro mkpụrụ okwu nke abụọ na-abịa dakọrịta, wee bụrụzie otu ụda. Ha kọwakwuru na ụdaume nke ikpeazụ ahụ nọ na mkpụrụ okwu nke mbụ a naghị eso n'otu ụdaume ndị bụ mkpọnihu ukwu ire, n'ihi nke a, ụdaume nke mbụ nọ na mkpụrụ okwu nke abụọ na-esokwa wee bụrụzie ụdaume na-enweghị mkpọnihu ukwu ire n'ihi na ha abụọ makọrọ wee bụrụzie otu ụda.

Na mmechi, nchọpụta ha gosiri na olilo mmakọ n'asụsụ Igbo na-eme ka mkpụrụ ụda abụọ bịakọọ ọnụ wee bụrụ otu ụda. Nchọcha ha gosikwara na olilo mmakọ na-agbaso iwu ndakọrịta ụdaume. Ọ bụ eziokwu na nchọcha ha gbadoro ụkwụ n'olundi Ogbinike na Anam nke ha si na ya tulee olilo mmakọ n'asụsụ Igbo. Ọrụ ha ga-abakwa uru na ntule olilo n'olundị Owere, nke bụ isiokwu nchọcha a.

Chinweuba na Onwudiwe (2022) mere nchọcha n'olundị Okija Igbo. Mbunuuche nchọcha ha bụ: ịchọpụta ma Okija Igbo o nwere olilo azụ. Ha kọwara na ọtụtụ nchọcha emerela n'olundi Okija, a họrọ ụdị olilo ndị ọzọ ma ha ekwughị okwu banyere olilo azụ. Ha gbakwasakwara ụkwụ na atụtụ myirinuju wee chọpụta na olilo azụ pụtara ihe nke ọma n'olundi Okija karịa olilo ihu na olilo mmakọ. Ha nyere ọmụ maatụ a: Tupu e nwee olilo, mkpụrụ okwu a bụ 'ihe ọjọọ', mgbe e nwechara olilo, ọ bụrụzie "iyo ọjọọ'. Anyị hụrụ na mkpụrụ ụda 'h' gbanwere wee bụrụzie 'y' mgbe e nwechara olilo. Ha gakwara n'ihu kọwaa na olilo na-enye aka oge a na-ekwu okwu ime ka mmadụ hapụ iji ikikere ya niile na-akpọpụta mkpụrụ ụda n'otu n'otu na mkpụrụ okwu. Ha chikọtakwara ọrụ ha site n'ịkọwa na olilo ihu na nke azụ pere mpe karịa etu ndị nchọcha bu ụzọ siri gosipụta ya

n'olundị Ọkịja. Ọ bụ ezie na e mere nchọcha a n'olundị Ọkịja Igbo mana nke anyị na-eme bụ n'olundị Owerri nke bụkwa otu n'ime olundi dị n'asụsụ Igbo.

N'aka nke ya, Maduagwu (2022) mere nchọcha n'isiokwu bụ *Consonant and vowel Elision in Ogbahu*. Mbunuuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma kọwaa usoro ọdịdị ụda nke metụtara ndapụ ụda n'olundị Ogbahu Igbo. Nchọcha a gụnyere ndapụ mkpụrụ ụda nakwa ndapụ ụdaolu. N'ịga n'ihu, ọ chọpụtara na ndapụ mkpụrụ ụda n'olundị Ọgbahu na-ebute ndapụ ụdaolu. Ọ kọwara n'ihe nke a pụtara bụ na mgbe ọ bụla mkpụrụ ụda pụrụ na mkpụrụ okwu, ọ na-eburu ụdaolu dị na mkpụrụ ụda ahụ pụọ. Ọ chọpụtakwara na ndapụ ụdaume ma ọ bụ mgbochiume na-apụta ihe n'oke mkpọ okwu abọọ maọbọ n'ime mkpọrọ okwu. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ndapụ nwere ike ịbụ mgbochiume ma ọ bụ ụdaume. Ọ sị na mgbe ụdaume abụọ dị na mkpụrụ okwu zipụtara 'aha' nọdebere onwe ha nso, otu n'ime ha na-adapụ.

Ọmụ maatụ: Ada + eze = Adeze.
Ọ gakwara n'ihu gosi na mgbe e nwere mkpụrụ ọnụ ọgọgọ abụọ mebere otu, ụdaume dị na njikọ nọ n'etiti ha na-adapụ
Ọmụ maatụ: /ili/ + /na/ + /otu/ - (ilinotu).

Ọ chọpụtakwara ụzọ ndapụ ndị ọzọ nke gụnyere ndapụ ụdaume dị na ngwụcha mkpụrụ okwu mbụ dị n'aha, mgbe ọ na-esote aha ọzọ. Na mmechi, ọrụ a gosipụtara na ndapụ mkpụrụ ụda pụtara ihe n'olundị Ọgbahu. Ọ kọwakwara na ọ bụ ọnọdụ mkpụrụ ụda na mkpụrụ okwu ga-ebute ndapụ ya ma ọ bụ ọnụnọ ya n'ahịrị okwu.

2.5Atụtụ Mgbakwasị ụkwụ

Atụtụ bụ ngwa ọrụ dị ezigbo mkpa n'ọrụ nchọcha ọbụla n'ihi na ọ na-egosipụta ebe mgbakwasịụkwụ nke onye nchọcha ji akọwa ihe nchọpụta ndị o mere. Ram (2013) na-akọwa na atụtụ na-egosipụta ntọala nke onye nchọcha ji eme nchọcha ya. Nchọcha a hiwere isi n'atọtọ ntọlekọrịta asọsọ *Contrastive Analysis*. Ọ bụ Robert Lado wepụtara ya n'akwụkwọ ya nke ọ kpọrọ *Linguistics across cultures*, nke e bipụtara n'afọ 1957. Lado na-akọwa na atụtụ nnyocha adịmịiche nwere ike ịchọpụta ebe nramahụ maọbụ mgbagwojuanya nke ga-adị n'usoro ọmụmụ asụsụ mba ọzọ maọbụ asụsụ nke abụọ L_2 nyere onye na-asụ asụsụ mbụ ya L_1. A ga-amata ihe nramahụ a site n'iji usoro e mepụtara maka nnyocha tụlee asụsụ maọbụ olundị abụọ ndị a na omenala dị n'ime ha. Ntụle asụsụ ndị a ga-ezipụta myiwere na ndịiche dị n'ime asụsụ ndị a na-atụle iji mee ka e nwee ezigbo nkọwa n'ihe banyere ọmụmụ asụsụ ndị ahụ. Atụtụ ntọlekọrịta asọsọ na-elenye anya na ntụle ngalaba lingwistiksi niile dịka fonọlọji, sintaksị, simantiksi, pragmatikisi, dg.

Lado gakwuru n'ihu na-ekwu na nnyocha ntọlekọrịta asọsọ na-ahụ maka ndịiche na-adị n'etiti otu asụsụ na ibe ya, site n'ilenye anya na myiwere na ndịiche niile dị n'asụsụ ndị ahụ. Ọ kọwakwuru na ebumnobi atụtụ a bụ iji mee ka ọmụmụ asụsụ nke abụọ L_2 ma ọ bụ asụsụ ofesi dị mfe iji wulite ọmụmụ asụsụ na usoro ntụgharị ya. Ihe mere onye nchọcha ji họrọ atụtụ a bụ n'ihi na ome nchọcha ntọlekọrịta na-eji asụsụ ma ọ bụ olundị abụọ maọbụ karịa eme nchọcha ya.

3.0 Usoro Nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro nchọcha ke-sọvee. Ebe o hibere isi bụ na kansụl ime obodo atọ nke dị n'Owerri n'ime steeti Imo. Ha bụ Owere Munisipaalụ, Owerri Nọọtụ na Owerri Westi. Ọ bụ kansụl atọ ndị a na-asụ olundị Owerri. Ngwa ọrụ e ji mee nchọcha a gụnyere ndị a: ihe otu n'ime onye ome nchọcha maara dịka onye na-asụ olundị Owerri nke ọma. Mkpụrụ okwu ndị ome nchọcha chịkọtara o jiri jụọ ajụjụ. Ihe ndị e nwetara site n' ajụjụ, azịza nakwa mkparịtaụka. E jikwa ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ dị iche iche e dere gbasara isiokwu nchọcha a nakwa ihe ndị e nwetara na ịntanet.

Ndị e jiri mee nchọcha a gụnyere mmadụ iri anọ na ise, ndị okenye nwoke ise, ndị okenye nwaanyị ise na ndị ntorobịa ise maara olundị Owerri n' ogbe ọ bụla. Ya bụ n' ogbe ọ bụla nyere mmadụ iri na ise. Ome nchọcha jikwa ihe ndị ọ maara dịka onye na-asụ olundị Owerri nke ọma, werekwa akọ na uche ya nweta ụfọdụ ihe ndị o tinyekwara na nchọcha ya. E ji usoro nkọwasị wee tụchasịa ihe ndị a chọpụtara.

4.0 Ntụcha na Nchọpụta Nchọcha

4.1 Olilo

Ụdị olilo e nwere n'olundi Owere gụnyere ndị a:

i Olilo nlocha
ii Olilo mmakọ
iii Olilo nlofọ

i. Olilo nlocha

N'olu Owerri, nke a na-eme mgbe ụdaume abụọ nọdebere onwe ha, otu e mee ka ibe ya gbanwechaa ọdịdị ya ma werezie ọdịdị nke ya. Ụdị olilo a dị ụzọ abụọ: olilo ihu na olilo azụ.

a. Olilo ihu

Nke a bụ oge ụdaume bu ụzọ mere ka ụdaume na-esote ya gbanwechaa ọdịdị ma werezie ọdịdị nke ya. Ọmụ maatụ 1:

U^1 + U^2	U^1 ^{2} U	Nkọwa Okwu
uwe a	uwe e	this dress
ivu a	ivu u	this load
ofe a	ofe e	this soup
eriri a	eriri i	this rope
oke a	oke e	this rat
ubi a	ubi i	this farm
ọyọ a	ọyọ ọ	this house
mmịị a	mmịị ị	this drink
ekwu a	ekwu u	this tripod
olulu a	olulu u	this pit

N'ọmụ maatụ ndị a dị n'elu anyị hụrụ na ụdaume /a/ niile nọ n'okpuru U^2 gbanwechara ụda n'ọdịdị ha ma werezie ọdịdị ụdaume ikpe azụ dị na mkpụrụ okwu ndị nọ n'okpuru U^1. Anyị hụrụ na ọmụ maatụ e nyere na olilo ihu gosiri na ha na-agbaso iwu ndakọrịta

ụdaume nke a na-enwe mgbe ụdaume niile dị n'otu mkpụrụ okwu Igbo si n'otu ngalaba ụdaume wee pụta, nke bụ otu 'A' (ụda mfe) ma ọ bụ otu 'E' (ụda arọ).

b. Olilo azụ: Nke a bụ mgbe ụdaume na-esote nke bu ụzọ mere ka nke ahụ bu ya ụzọ gbanwee ma werezie ọdịdị nke ya. Ọmụ maatụ 2:

$U^1 + U^2$	**U^2U^2**	**olilo azọ**	**Nkọwa Okwu**
ofe + Owere	ofo Owere	ofoowere	Owere soup
nja + oshie	njo oshie	njooshie	old wrapper
ụyo + agbaagba	ụya + agbaagba	ụyaagbagba	zink house
ụmụ + agbara	ụma + agbara	ụmaagbara	spirits
ọchị + eze	ọche + eze	ọcheeze	fake laugh
ụmị + ọkpụkpụ	ọmọ + ọkpụkpụ	ụmọọkpụkpụ	bone marrow
he + olu	ho+ olu	hoolu	necklace
otula + ukwu	otulu + ukwu	otuluukwu	big buttock
Okpirikpi + oshishi	okpirikpo + oshishi	okpirikpooshishi	log of wood
abụbara + ishi	abụbari + ishi	abụbariishi	hair

N'ọmụ maatụ e nyere n'olilo azụ, ụdaume nke mbụ ndị dị na mkpụrụ okwu nke mbụ dị n'aka nri mere ka ụdaume nke ikpe azụ na mkpụrụ okwu ndị dị n'aka ekpe gbanwee ma werezie ọdịdị nke ya. Ya bụ na $U^1 + U^2$ abụrụzie U^2 U^2.

ii Olilo Mmakọ

A na-ahụ nke a mgbe ụfọdụ mkpụrụ okwu jiri ụdaume kwụsị, e tinyere ya nnọchiaha bụ 'ya', ebe 'ya' ga-agbanwe ọnọdụ ya bụrụzie 'ịa' ma ọ bụrụ na ụdaume kwụsịrị mkpụrụ okwu 'ya' na-eso bụ ụda mfe. Ọ bụrụ na mkpụrụ okwu ahụ e jiri ụda arọ kwụsị, e tinyere ya nnọchiaha 'ya', 'ya' ga-agbanwekwa bụrụzie 'ie'.
Ọmụ maatụ 3:

Mkpụrụ okwu+ Ya	olilo mmakọ	**Nkọwa Okwu**
ụkwụ ya	ụkwị a	his/her leg
ụyọ ya	ụyị a	his/her house
akwa ya	akwị a	his/her bed
nja ya	njị a	his/her wrapper
aziza ya	azịzị a	his/her broom
ọkụ ya	ọkị a	his/her clay pot
mma ya	mmị a	his/her knife
mgbala ya	mgbalị a	his/her kitchen
aka ya	akị a	his/her hand
nkwụ ya	nkwị a	his/her palm fruit

N'ọmụ maatụ ndị a dị n'elu, n'ihi na mkpụrụ okwu 'ya' na-eso kwụsịrị na ụda mfe, 'ya' gbanwere bụrụzịa 'ịa'.
Mgbe mkpụrụ okwu jiri ụda arọ kwụsị, a ga-enwe olilo mmakọ ndị a. Ọmụ maatụ 4:

Mkpụrụ okwu + ya	olilo Mmakọ	**Nkọwa Okwu**
òhè ya	ohi e	*his/her compound*
ahe ya	ahi e	his/her home
okporoko ya	okporoki e	his/her stockfish
oche ya	ochi e	his/her seat
ishi ya	ishi e	his/her head
ubi ya	ubi e	his/her house
ite ya	iti e	his/her pot
ntị ya	nti e	his/her ear
efere ya	eferi e	his/her plate
uwe ya	uwi e	his/her dress/cloth

Ọmụ maatụ ndị a e nyere na-egosi na olilo mmakọ n'olu Owere na-agbaso iwu ndakọrịta ụdaume dịka ọ dịkwa n'asụsụ Igbo. 'ya' na-adapụ kpamkpam na mkpọpụta okwu nke ọ bụla, abịazịa nwee mgbanwe 'a' nke ga-abụzị 'e'.

iii Olilo Nlofọ
Olilo nlofọ bụ olilo nke na-adịghị akwụzicha n'ihi na ọ dighị apụtacha ihe nke ọma. Ọ bụ mgbe a kpọpụtara okwu ọsọọsọ nke ukwu ka ọ na-apụta ihe. A chọpụtara na etu ọ dị n'Igbo izugbe ka ọ dịkwa n'olundi Owerri.

Ọmụ maatụ 5:

$U^1 + U^2$	olilo nlofọ	Nkọwa Okwu
ọyọ + elu	ụyeelu	upstairs
Ada + ọma	Adọọma	good duaghter
nwaanyị + ukwu	nwaanyuukwu	big woman
ishi + ukwu	ishuukwu	big head
aka + ịkpa	akịịkpa	left hand
ite + ofe	itoofe	pot of soup
akwa + ugo	akwuugo	eagle's egg
otule + ukwu	otuluukwu	big buttocks
ọnọ + ọra	ọnọọra	soured mouth

Site n'ọmụ maatụ niile ndị e nyere, a chọpụtara na ụdị olilo niile dị n'Igbo izugbe dị n'olundị Owerri, mana nke kacha pụta ihe bụ olilo nlocha na olilo mmakọ.

4.2 Ndapụ Ụda
Ndapụ ụda bụ ọpụpụ ụda ụfọdụ na-apụ mgbe a na-akpọpụta okwu. Ụda ndị a nwere ike ịbụ ụdaume ma ọ bụ mgbochiume.

i Ndapụ ụdaume: A na-enweta nke a mgbe mkpụrụ ụda ụdaume na-ezughị oke ebe o kwesịrị ịdị na mkpụrụ okwu. Ọ na-abụkarị e nwechaa olilo ụdaume, e wee nwee ndapụ ụdaume.

Ọmụ maatụ 6:

Okwu+ okwu	**Olili ụdaume**	**Ndapụ ụdaume**	**Nkọwa okwu**
ihe oma	ihọọma	ihọma	good thing
akwa eke	akweeke	akweke	Python's egg
ọnwa ọrụ	ọnwọọru	ọnwọru	festival time
elu igwe	eliigwe	eligwe	sky
ube ọnya	ubọọnya	ubọnya	trap
azụ ịkpọ	aziịkpọ	aziịkpọ	dried fish
ụgbọ elu	ụgbeelu	ọgbelu	aeroplane
ite ofe	itoofe	itofe	pot of soup
nwa oke	nwooke	nwoke	male

N'ọmụ maatụ e nyere, ndapụ ụdaume pụtara ihe mgbe ụdaume kwụsịrị mkpụrụ okwu nke mbụ na ụdaume malitere okwu nke abụọ bịara bụrụ otu ụda nke mere na a naghị anụzi ụda ụdaume ahụ nke kwụsịrị mkpụrụ okwu nke mbụ. A na-enwe olilo tupu e nwee ndapụ.
ii Ndapụ Mgbochiume: Ndapụ mgbochiume bụ ọpụpụ mgbochiume na-apụ n'okwu mgbe a na-ekwu okwu ọsọọsọ.
Ọmụ maatụ 7:

Olundi Owere	**Izugbe**	**Ndapụ**	**Nke Dapụrụ**	**Nkọwa Okwu**
ichichiri	-	iichiri	ch	Chaff
Olulu	olulu	oulu	l	Pit
ọvụvụ	ọvụvụ	ọụvụ	v	caterpillar
ọgwụgwụ	ọgwụgwụ	ọụgwụ	gw	Finishing
ureghure	ure	ureure	gh	Filth
ọchịchọ	ọchịchọ	ọịchọ	ch	seeking
afụfa	afụfa	aụfa	f	garden egg
ọsịịsọ	ọsọọsọ	ọisọ	S	ọuickly
akụkụ	akụkụ	aụkụ	K	Side
ozuzu	ozuzu	ouzu	Z	Being enough

Dịka e gosịrị n'ọmụ maatụ, mgbochiume ndị a na-adịghị ebe ha kwesịrị ịdị na mkpụrụ okwu iji mee ka nsupe okwu ahụ zuo oke, ka a hụrụ dịka ndị dapụrụ adapụ na mkpụrụ okwu, e wee na-akọwa ha dịka ndapụ mgbochiume.
ii Ndapụ Mkpụrụasụsụ njụ ghi : Nke a bụ mgbe mpụrụ asọsọ 'ghị/ghi' na-adapụ mgbe a na-akpọpụta njụ. Mkpụrụ asụsụ 'ghị/ghi' na-adapụ kpamkpam n'ọnọdụ a n'olundị Owerri. Ọmụ maatụ 8:

Njụ Igbo izugbe	Njụ Owerri	Nkọwa okwu
zaghị ụyọ	zaa ụyọ	did not sweep
sịghị asị	sịị asị	did not lie
wụghị m	wụụ m	Not me
tọghị ọchị	tọọ ọchị	not funey
zughi oshi	zuu oshi	did not steal
jeghi ọrụ	jee ọrụ	did not go to work
nyeghi m	nyee m	did not give me
zighi m	zii m	did not show me
kwughi	kwuu okwu	did not talk
toghi ogologo	too ogologo	did not grow

Nchọcha a chọpụtara na olundi Owerri nwere ndapụ mkpụrụ asụsụ njụ '-ghị/-ghi. Mgbe e nwere ndapụ mkpụrụ asụsụ njụ, a na-agbatị mkpọpụta ụdaume ikpe azụ nke nọ n'isingwaa ahụ tupu e nweta njụ n'olundị Owerri. Ụdaume ahụ na-enwe ụdaala. Usoro a na-agbasokwa mmapịa ụdaume. A na-amapịa ụdaume dị n'isingwaa iji mepụta njụ n'olundị Owerri.

5.0 Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha na Mmechi

Ọrụ nchọcha a bụ na olilo na ndapụ mkpụrụ ụda n'olundi Owerri. A gbakwasịrị ụkwụ n'atụtụ ntụlekọrịta asọsọ nakwa n'usoro fonọlọjii wee mee ya bụ nchọcha. A tụgharịrị agụmagụ edere ede dị iche iche n'isi okwu a ma nye ọmụ maatụ na ya iji kọwaa maka olilo na ndapụ n'olundị a. A chọpụtara na e nwere olilo na ndapụ mkpụrụ ụda n'olundị Owerri dịka ọ dị n'Igbo izugbe. Olilo ndị a hụrụ na ya bụ olundi bụ: olilo nlocha nke nwere ụdị abụọ, olilo ihu nakwa olilo azụ, olilo mmakọ na olilo nlofọ. A hụrụ n'ezie na n'olundị Owere, ụda nke e loro na-agbụchapụ agwara niile e jiri mara ya bịa yizie ụda nke loro ya. A hụkwara na olilo na-emetụta soọsọ ụdaume.

A chọpụtakwara ụdị ndapụ abụọ n'olundị Owerri ndị bụ ndapụ ụdaume na ndapụ mgbochiume. A chọpụtakwara na a na-enwe ndapụ mkpụrụ asụsụ -ghị/-ghi mgbe a na-akpọpụta nsonazụ njụ. Mgbe nke a mere, a na-enwezi mmapịa ụdaume. A na-amapịa ụdaume dị n'isi ngwaa iji dochie anya –ghị/-ghi sitekwa n'ịgbaso iwu ndakọrịta ụdaume. Ndịiche ndị di na mkpụrụ okwu dị n'etiti olundi Owerri na Igbo izugbe bụkwa nke pụtara ihe na nchọcha a. Ụfodụ mkpụrụ ụda ndị dị n'Igbo izugbe na-agbanwe n'olundi Owere mana mgbanwe ha anaghị ebutecha nghọtahie n'echiche dị na mkpụrụ okwu ndị ahụ. A hụrụ ụfọdụ mkpụrụ okwu nke aha ha dị iche na aha nke izugbe na-akpọ ha. Mkpụrụ okwu ndi ahụ ka e weere dị ka myirinanghọta dị n'asụsụ Igbo.

Edensibịa

Agbedo, C.U. (2000). *General Linguistics: An Introductory Reader*. Nsukka: ACE Resources

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiki Sayensi: Asụsụ.* Enugu: Computer edge Publishers.

Block, B. & Trager, G.L. (2005). *Outline of Linguistics Analysis*. New York: Baltimore I. Wavery.

Chinagorom, L.C. (2023). *Uru Ezi Akanka n'Agụmagụ Igbo ugbu a*. Owere: I.O. Publishers.

Chinagorom, L.C. (2023). *Igbo Ujundụ.* Owere: Assumpta press

Egwuonwu-Chimezie, G.N. (2023). *Igodo Ọmụmụ Ala Igbo*. Owere: Favoured House concepts.

Egwuonwu-Chimezie, G.N. & Abonyi, D.O. (2022). Nsogbu Olundi Obolo fo na-ebute N'ọmụmụ Asụsụ Igbo Izugbe N'ụlọakwụkwọ Praịmarị. *Ọdụ Enyi IMSU Journal Linguistics, Literature & Igbo*: Imo State University, Owere: Sir MOSCO Trumpeters Concepts.

Farinde, R.O. (2005). Nigerian Languages In Education and National Development. Journal of Teacher Education. Ondo 81 pp 19-25.

Lado, R. (1957). Linguistics *Across Culture*. Ann rbor: University of Michigan

Lyons, J. (1981). *Language and Linguistics*. Cambridge: Cambridge University.

Mbah, B.M. (2007). Elision in Ọba. Igbo in a Synchronic Study in Language and Literature in the Developing Country: Essay in honour of Professor Ben O.A. Obuike. Onitsha: Africa fep pubishers.

Mmụọdum, O.M., Okonkwo, J.I., Okafọ J.N., & Ihejirika, O.C. (2022). *Ezumezu Ọmụmụ Asụsụ Igbo Maka Ndị Sinịọ Sekọndịrị.* Obosi: Pacific Publishers.

Nwodo, C.S. (2008). *Applied English Linguistics*: *An Introductory Approach*. Nigeria: Liben Press.

Nwozuzu, G. (2008). *Dialects of Igbo Language*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Obidiebube, J.I. (2007). *Ndubanye N'Ọmụmụ Olu Asụsụ Igbo*. Onitcha: Auschaki Int'l Publishers.

Ofoma, B.K. (2009). *Fundamental Concepts of Language Acọuisition.* Onitcha: Oụford University Press.

Okafo, C.U. & Ewelukwa, U. (2018). *Nhazi Asụsụ Igbo (Usoro ọhụrụ) Maka Sinịọ Sekọndịrị na Kọleeji*. Onitsha: A.C. Global publishers.

Oraka, L.N. (1983). *The Foundations of Igbo Studies.* Onitsha: University Publishers.

Ram, S.N. (2013). Theoretical and Conceptual Framework as Blue Print of a House. Accessed from https://www.slidesharenet on 24th April, 2024.

Udemmadụ, T.N. , Egwuọnwụ-Chimezie, G.N. & Ibeh, F.U. (2022). *Mọfọlọji Igbo*. Onitsha : Durability prints.

Ugwuoma, C.N., Nwankwo, O.A.& Nweze, M.I. (2020). *Ntọala Na Isiokwu Ụfọdụ Na Fọnọlọjị Igbo Tinyere Olundị.* Enugu: University of Nigeria Press.

Umeodinka, A.U., Ugochukwu, C.N., Ogwudile, C.E.C. & Ilechukwu, D.I. (2019). *Kpọkọpị, Ụtọasụsụ Igbo na Ntụgharị: Maka ndị Sekọndịrị na Mahadum*. Awka: Divine Press.